IDEAL INTERNATIONAL JOURNAL of IGBO SCHOLARS FORUM for SOCIO-CULTURAL ADVANCEMENT (INC.) Volume 19, No 2A June, 2026
ISSN: 2476-8421

# NZIPỤTA MMETỤTA ỌZỤZỤ NWA N'ỌGANIIHU AGỤMAKWỤKWỌ: NTỤLE *A TỤỌRỌ ỌMARA* NA *NWAANYỊ DỊ URU*

**Anachunam Chinelo Chizoba PhD**.
Nnamdi Azikiwe University, Awka, Anambra State, Nigeria.
cc.anachunam@unizik.edu.ng +2347062453336

## Ụmiedemede

*Nchọcha a nyochara nzipụta mmetụta ọzụzụ nwa n'ọganiihu agụmakwụkwọ n'iduuazị Igbo ndị a họọrọ; A Tụọrọ Ọmara na Nwaanyị Dị Uru. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta etu ndị odee si zi ọrụ ọzụzụ nwa na nduzi ezinaụlọ n'ịkwalite ma ọ bụ igbochi ọganiihu agụmakwụkwọ ụmụaka. Ọ bụ ezie na e nweela ọtụtụ ọmụmụ gbasara ihe ndị na-emetụta ọganiihu agụmakwụkwọ, ma, enwekabeghị nke lebara anya n'etu agụmagụ Igbo si anọchite anya isiokwu a. Nchọcha a jiri usoro nkọwa na nnyocha ọdịnaya (content analysis) nyochaa data sitere n'iduuazị ndị a họọrọ, ebe Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha (Social Learning Theory) nke Albert Bandura bụ ntọala nkọwa ya. Nchọpụta gosiri na ezi ọzụzụ nwa, nke gụnyere nduzi, ịdọ aka ná ntị, nkwado ezinaụlọ, ịkụnye ezi omume na ịgba ụmụaka*

*ume, na-arụ ọrụ dị mkpa n'ịkwalite mmasị n'agụmakwụkwọ, ịdị uchu na mmezu agụmakwụkwọ. N'aka nke ọzọ, nleghara anya, nduzi na-adịghị mma na echiche na-adịghị akwado mmụta nwere ike ibute omume ọjọọ na igbochi ọganihu agụmakwụkwọ ụmụaka. A chọpụtara na ndị odee nke A Tụọrọ Ọmara na Nwaanyị Dị Uru ji agwa na nzipụta agwa ha gosi na ọzụzụ nwa bụ ntọala dị mkpa n'idozi ọdịnihu agụmakwụkwọ na mmepe zuru oke nke nwata. N'ihi ya, a tụrụ aro ka ndị nne na nna, ndị nlekọta, ndị nkụzi na ndị na-eme iwu agụmakwụkwọ na-arụkọ ọrụ ọnụ n'ịkwalite ezi ọzụzụ nwa dịka ụzọ isi meziwanye ọganiihu agụmakwụkwọ na mmepe ọha mmadụ.*

**Ọkpụrụokwu**: Ọzụzụ nwa, agụmakwụkwọ, ọganiihu agụmakwụkwọ, iduuazị Igbo, Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha.

## Ndubanye

Agụmakwụkwọ bụ otu n'ime ngwáọrụ kachasị mkpa e ji azụlite mmadụ na ọha mmadụ n'oge a. Ọ na-enye mmadụ ohere ịzụlite ọgụgụ isi, nkà na àgwà ọma ndị ga-enyere ya aka ibi ndụ bara uru ma sonye n'iwulite obodo ya. Dịka Dewey (1916) siri kwuo, agụmakwụkwọ abụghị naanị nkwadebe maka ndụ kama ọ bụ akụkụ dị

mkpa nke ndụ n’onwe ya, ebe mmadụ na-amụta site na nkuzi na mmekọrịta ya na gburugburu. Freire (1970) gbakwụnyere na agụmakwụkwọ kwesịrị ịbụ ụzọ e si enye mmadụ ikike ịghọta ọnọdụ ya ma nwee ike inwe mgbanwe bara uru n’ime onwe ya na n’ọha. N’otu aka ahụ, UNESCO (2021) kwusiri ike na mmepe obodo na mmezu ebumnobi mmepe ga-adigide na-adabere nke ukwuu n’ogo na ezi agụmakwụkwọ ụmụaka na ndị ntorobịa na-enweta.

N’agbanyeghị mkpa agụmakwụkwọ, ihe ịga nke ọma ụmụaka n’ụlọakwụkwọ anaghị adabere naanị n’ụlọakwụkwọ ma ọ bụ n’ọrụ ndị nkụzi. Ọtụtụ ndị ọkà mmụta egosila na ezinaụlọ na ụdị ọzụzụ nwa na-eketa òkè dị ukwuu n’ịhazi agwa, omume na mmasị nwata n’ịmụ ihe. Bronfenbrenner (1979) kọwara na mmepe nwata na-adabere n’ọtụtụ usoro mmekọrịta gbara ya gburugburu, ma ezinaụlọ bụ nke kacha pụta ihe ma bụrụkwa nke na-enwe mmetụta siri ike. N’otu aka ahụ, Baumrind (1967) chọpụtara na ụdị nduzi na njikwa ndị nne na nna na-enye ụmụ ha nwere ike ịkwalite ma ọ bụ gbochie uto ọgụgụ isi, njide onwe onye na ihe ịga nke ọma n’agụmakwụkwọ.

N’omenaala Igbo, ọzụzụ nwa bụ ọrụ dị nsọ nke ezinaụlọ na obodo. A na-ele nwata anya dịka onye ga-anọchi anya

ezinaụlọ na ọgbọ n'ọdịnihu, ya mere, a na-atụ anya ka e jiri ezi nduzi, ịdọ aka na ntị na ezi omume zụlite ya. N'ihi ya, ọzụzụ nwa na-agafe naanị inye nri na uwe; ọ gụnyekwara ịkụnye ụkpụrụ ịrụsịọrụ ike, nsọpụrụ, ezi omume na ịhụ agụmakwụkwọ n'anya.

Agụmagụ Igbo, dịka enyo ndụ eji ahụta ndụ, na-egosipụta n'ụzọ doro anya, mmekọrịta dị n'etiti ezinaụlọ, ọzụzụ nwa na mmepe agụmakwụkwọ. Ndị odee na-eji agwa na nzipụta agwa ha gosipụta etu nduzi ọma, nkwado nne na nna na ịkụziri ụmụaka ezi omume si enyere ha aka ime nke ọma, nakwa etu nleghara anya ma ọ bụ ọzụzụ na-adịghị mma pụrụ isi duga ha n'ụzọ ga-emebi ọdịnihu ha. N'echiche a, agụmagụ anaghị arụ ọrụ ntụrụndụ naanị; ọ na-arụkwa ọrụ nkuzi na mgbasa ụkpụrụ bara uru n'ime ndị mmadụ, dịka Achebe (1975) siri kwuo na ọrụ onye odee Afrịka bụ ịkọwa ma kpalite mgbanwe n'ime obodo ya.

N'agbanyeghị na e nweela ọtụtụ nchọcha gbasara agụmakwụkwọ ụmụaka na ihe ndị na-emetụta ya, ọtụtụ n'ime ha lekwasịrị anya n'akụkụ mmekọrịta mmadụ, akụ na ụba ma ọ bụ sayensị omume. N'aka nke ọzọ, enwekabeghịnchọcha ndị lebara anya n'etu ndị odee Igbo si eji agụmagụ ha egosi na ọzụzụ nwa bụ isi ihe na-akwalite ma ọ bụ na-egbochi ọganiihu agụmakwụkwọ.

Nke a na-egosi oghere dị mkpa nke chọrọ ka e nyochaa ya site n'echiche agụmagụ.

Ọ bụ n'ime oghere a ka nchọcha a dabere na ya. Ebumnobi ya bụ ịtụle nzipụta mmetụta ọzụzụ nwa n'ọganiihu agụmakwụkwọ site n'ịtụcha iduuazị *A Tụọrọ Ọmara* na *Nwaanyị Dị Uru*. Nchọcha a na-achọ igosi etu ndị odee si eji agwa ha na nzipụta agwa dị n'akwụkwọ ha kwado echiche na-ekwu na ezi ọzụzụ nwa, nduzi kwesịrị ekwesị na nkwado ezinaụlọ bụ ihe ndị nwere ike iwulite ọdịnihu agụmakwụkwọ nwata, ebe nleghara anya na ọzụzụ na-adịghị mma nwere ike ibute ọdịda ma ọ bụ gbochie mmezu ikike ya. N'ụzọ dị otu a, nchọcha a na-atụ anya itinye aka n'ịgbasa ọmụmụ gbasara agụmagụ Igbo ma gosipụta uru ọ bara n'ịkwalite echiche na omume ndị ga-ewulite ọgbọ nwere mmụta na ezi agwa.

## Ntụleghari Agụmagụ

- **Ọzụzụ Nwa**

Ọzụzụ nwa bụ usoro a na-esi eduzi omume, echiche na agwa nwata site n'aka nne na nna, ndị nlekọta na ọha mmadụ ka o wee too bụrụ onye bara uru n'ezinaụlọ na obodo. Echiche a anaghị akwụsị naanị n'inye nwata nri, uwe na ebe obibi, kama, ọ gụnyere ịkụziri ya ezi omume,

ịrụsịọrụ ike, nsọpụrụ, ịdabere n'eziokwu na mkpa agụmakwụkwọ. Dịka Bornstein (2022) siri kwuo, ọzụzụ nwa bụ usoro mmekọrịta na-aga n'ihu nke na-emetụta mmepe ọgụgụ isi, mmepe omume na mmepe mmekọrịta mmadụ n'ogeọ bụ nwata na n'oge o toro.

Baumrind (1967) kewara ụdị ọzụzụ nwa n'ụzọ dị iche iche nke gụnyere ọzụzụnke na-ejikọta ịhụnanya na ịdọ aka ná ntị (*authoritative parenting*), nke siri ike ma na-adịghị enye ohere mkparịta ụka (*authoritarian parenting*), nke na-ahapụ nwata ka o mee ihe ọ chọrọ (*permissive parenting*), na nke nleghara anya (*neglectful parenting*). N'ime ha, ụdị nke jikọtara ịhụnanya na nduzi doro anya ka ọtụtụ nchọpụta gosiri na ọ na-akwalite ntụkwasị obi, ịrụsi ọrụ ike na mmezu agụmakwụkwọ.

Darling na Steinberg (1993) na-arụ ụka na ihe na-eme ka ọzụzụ nwa nwee mmetụta abụghị naanị iwu ndị nne na nna na-etin, kama, ọ bụkwa ọnọdụ mmekọrịta na nkwado mmetụta uche ha na-enye. N'otu aka ahụ, Smetana (2017) kwusiri ike na ezi ọzụzụ nwa na-enyere nwata aka ịzụlite njide onwe ya, ikike ime mkpebi ziri ezi na mmụọ ịrụsi ọrụ ike.

N'omenaala Igbo, ọzụzụ nwa bụ ọrụ ezinaụlọ dum na obodo. A na-atụ anya ka nwata mụta nkwanye ugwu, ịrụsịọrụ ike na omume ọma site n'aka ndị okenye. Nke a na-egosi na echiche ndị Igbo banyere ọzụzụ nwa na-agafe naanị nlekọta anụ ahụ ma gbasaa ruo n'ịkụnye ụkpụrụ ga-enyere nwata aka ịga nke ọma n'agụmakwụkwọ na ndụ.

- **Agụmakwụkwọ**

Agụmakwụkwọ bụ usoro a na-esi ahafe nghọta, nkà, ụkpụrụ na ikike site n'otu ọgbọ gaa n'ọzọ site n'usoro mmụta a haziri ahazi ma ọ bụ nke na-eme n'ime ndụ kwa ụbọchị. Dewey (1916) kọwara agụmakwụkwọ dịka usoro mmepe mmadụ na-aga n'ihu nke na-eme ka onye ahụ nwee ike idozi nsogbu na isonye n'ọrụ obodo ya. Freire (1970) gbakwụnyere na ezigbo agụmakwụkwọ kwesịrị ime ka mmadụ nwee mmụọ nyocha na ikike ịgbanwe ọnọdụ ya karịa naanị ịnakọta ozi.

UNESCO (2021) na-ele agụmakwụkwọ anya dịka isi ntọala mmepe dịọkpụ, ịdị n'otu ọha na eze na mmezu ikike mmadụ. N'otu aka ahụ, OECD (2023) kwusiri ike na agụmakwụkwọ nke oge a kwesịrị ịzụlite ikike iche

echiche miri emi, mmekọrịta mmadụ na ibe ya na idozi nsogbu n'ụwa nke a na-agbanwe ngwa ngwa.

N'echiche nchọcha a, agụmakwụkwọ abụghị naanị ịga ụlọakwụkwọ ma ọ bụ inweta asambodo, kama, ọ bụ usoro zuru oke nke na-enyere nwata aka ịzụlite ikike uche, omume na mmekọrịta mmadụ nke ga-eme ka ọ bụrụ onye bara uru n'ọha obodo.

- **Ọganiihu Agụmakwụkwọ**

Ọganiihu agụmakwụkwọ na-arụtụ aka n'ogo nwata ma ọ bụ onye mmụta ruru n'inweta ihe ọmụma, nkà na mmezu ebumnobi agụmakwụkwọ ya. A naghị amata ya naanị site n'akara ule ma ọ bụ asambodo, kama ọ gụnyekwara ikike iche echiche nke ọma, ịnagide nsogbu, ịnọgidesi ike n'ọrụ na mmepe omume ọma.

York et al. (2015) kwuru na ihe ịga nke ọma n'agụmakwụkwọ bụ echiche buru ibu nke na-agụnye mmezu agụmakwụkwọ, nnọgidesi ike n'ụlọakwụkwọ, mmepe onwe onye na njikere maka ọrụ na ndụ obodo. Richardson, Abraham na Bond (2012) chọpụtara na ihe ndị Dịka mkpali ime nke ọma, nkwado ezinaụlọ na njide onwe onye na-enwe mmetụta dị ukwuu n'ọganiihu agụmakwụkwọ karịa naanị ọgụgụ isi.

N'otu aka ahụ, Credé, Kuncel na Harms (2008) gosiri na àgwà dịka ịdị uchuna ịrụsi ọrụ ike na-enyere ụmụ akwụkwọ aka ịgbaru ọsọ ha n'isi. Nke a na-egosi na ọganiihu agụmakwụkwọ bụ njikọta ikike onwe onye na nkwado sitere n'ezinaụlọ na gburugburu ebe nwata bi.

## Mmekọrịta Dị n'etiti Ọzụzụ Nwa na Ọganiihu Agụmakwụkwọ

Ọtụtụ nchọpụta egosila na ụdị ọzụzụ nwata na-enweta n'ezinaụlọ na-enwe mmetụta kpọm kwem n'àgwà ya n'ụlọakwụkwọ na ihe ọ na-emezu n'agụmakwụkwọ. Bronfenbrenner (1979) n'Atụtụ *Ecological Systems* kọwara na ezinaụlọ bụ ebe mbụ nwata na-amụta ụkpụrụ na omume ndị ga-emetụta mmepe ya n'ọdịnihu. Mgbe e nwere nkwado, nduzi na mmekọrịta dị mma n'etiti nne na nna na ụmụ ha, nwata na-enwekarị mmasị n'ịmụ ihe ma na-egosipụtakwa njide onwe onye.

Fan na Chen (2001), site n'ịtụle ọtụtụ nchọpụta, chọpụtara na enyemaka ndị nne na nna n'ihe gbasara agụmakwụkwọ ụmụ ha na-enwe njikọ dị mma na arụmọrụ ụlọakwụkwọ. Jeynes (2007) gbakwụnyere na ọ bụladị mgbe ndị nne na nna enweghị nnukwu ego ma ọ

bụ agụmakwụkwọ dị elu, nkwado mmetụta uche ha na atụmanya ọma ha nwere n'ebe ụmụ ha nọ ka nwere ike ime ka ụmụ ahụ mee nke ọma.

Wilder (2014) kwadoro na mmekọrịta ezinaụlọ na ụlọ akwụkwọ na nkwado nne na nna na-akwalite mkpali ime nke ọma, ịga ụlọ akwụkwọ mgbe niile na mmezu agụmakwụkwọ. Bornstein (2022) kwusiri ike na ụkpụrụ, omume na nkà nwata na-amụta n'ụlọ na-emetụta etú ọ ga-esi ewere agụmakwụkwọ na ihe mgbaru ọsọ ndụ ya.

N'omenaala Igbo, ebe a na-ele ezinaụlọ anya dịka ebe mbụ a na-akụziri nwata omume na ezi ọrụ, mmekọrịta a ka na-apụta ìhè. Nne na nna na ndị okenye na-arụ ọrụ dị mkpa n'ịkụnye mmụọ ịrụsịọrụ ike, nsọpụrụ na ịhụ mmụta n'anya. Ya mere, mgbe e nwere ezi ọzụzụ nwa, ọ na-abụkarị ntọala siri ike nke ọganiihu agụmakwụkwọ; ma mgbe ọzụzụ ahụ adịghị mma ma ọ bụ e nwere nleghara anya, ọ nwere ike ibute omume ọjọọ, enweghị mkpali n'ịmụ ihe na ọdịda agụmakwụkwọ.

N'ịdabere n'echiche ndị ọkà mmụta ndị a, nchọcha a na-ewere ọzụzụ nwa dịka otu n'ime ihe ndị kacha emetụta mmepe agụmakwụkwọ nwata. Nke a bụkwa isi echiche a ga-eji nyochaa etu ndị odee si zipụta mmetụta ezi ọzụzụ

na ọzụzụ na-adịghị mma n'akwụkwọ *A Tụọrọ Ọmara* na *Nwaanyị Dị Uru*.

## Ntụle Atụtụ

### Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha (Social Learning Theory)

Nchọcha a dabere n'Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha (*Social Learning Theory*), nke Albert Bandura wepụtara ma kwalite n'afọ 1977. Atụtụ a na-ekwu na mmadụ, ọkachasị nwata, anaghị amụta ihe naanị site n'ihe a na-akụziri ya ozugbo, kama ọ na-amụtakwa ihe site n'ịhụ omume ndị ọzọ, ịṅomi ha na inweta nkwado ma ọ bụ ntaramahụhụ dabeere n'omume ya. Bandura (1977) kwusiri ike na ezinaụlọ bụ ebe mbụ nwata na-enweta ụdị mmụta a, n'ihi na nne na nna na ndị okenye na-abụkarị ihe nlereanya ọ na-ele anya ma na-eso.

Dịka Bandura (1986) siri kọwaa n'ọrụ ya gbasara *Social Cognitive Theory*, mmụta mmadụ na-esite n'mmekọrịta ihe atọ: àgwà onye ahụ, omume ya na gburugburu ebe ọ bi. Nke a pụtara na ọzụzụ nwa na ụdị omume ndị nne na nna na-egosipụta n'ụlọ nwere ike ịhazi echiche nwata banyere agụmakwụkwọ, ịrụsịọrụ ike, ịdọ aka ná ntị na mmezu ebumnobi. Mgbe nwata na-ahụ nne na nna ma ọ

bụ ndị nlekọta ya ka ha na-akwado mmụta, na-asọpụrụ ezi omume ma na-enye nduzi kwesịrị ekwesị, o yikarịrị ka ọ ga-anabata ma megharịa àgwà ndị ahụ.

Ọtụtụ ndị ọkà mmụta kwadoro echiche a. Schunk (2020) na-ekwu na mmụta site n'ịhụ ihe na imegharị ya (*observational learning*) bụ otu n'ime ụzọ kachasị mkpa ụmụaka si enweta nkà na ụkpụrụ omume. N'otu aka ahụ, Bussey na Bandura (1999) gosiri na omume na ụkpụrụ nwata na-amụta site n'ezinaụlọ na-enwe mmetụta ogologo oge n'ụzọ o si eme mkpebi na etú o si arụ ọrụ n'ụlọakwụkwọ na n'ọha mmadụ.

## Mkpa Atụtụ a na Nchọcha a

Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha dabara adaba nke ukwuu n'isiokwu nchọcha a n'ihi na ọ na-akọwa etu ọzụzụ nwa si emetụta ọganiihu agụmakwụkwọ. N'echiche a, nne na nna na ndị nlekọta abụghị naanị ndị na-enye nwata nri na ebe obibi; ha bụkwa ndị na-akụziri ya ụkpụrụ ndụ site n'omume ha, ndụmọdụ ha na mkpebi ha na-eme kwa ụbọchị. N'ihi ya, ezi ọzụzụ nwa nwere ike ịkwalite mmasị n'ịmụ ihe, ịrụsi ọrụ ike, ịchịkwa onwe onye na ịrụ ọrụ n'usoro, ebe nleghara anya ma ọ bụ nduzi na-adịghị mma nwere ike ibute omume ọjọọ, enweghị ntụkwasị obi na ọdịda agụmakwụkwọ.

N'ihe gbasara agụmagụ, atụtụ a na-enyere onye nchọcha aka ịkọwa etu ndị odee si eji agwa na mmekọrịta ezinaụlọ wulite ozi ha. N'akwụkwọ *A Tụọrọ Ọmara*, mgbanwe a hụrụ n'àgwà Azụbụike na-egosi na nduzi, ịdọ aka ná ntị na mmezi sitere n'ezinaụlọ nwere ike ime ka nwata gbanwee ụzọ ma lekwasị anya n'agụmakwụkwọ. N'otu aka ahụ, *Nwaanyị Dị Uru* na-egosi na nkwado na atụmanya ọma sitere n'aka nne na nna nwere ike ịkwalite ọchịchọ ụmụaka ịga ụlọakwụkwọ na ime nke ọma, ebe echiche ma ọ bụ omume na-adịghị akwado agụmakwụkwọ nwere ike bụrụ ihe mgbochi nye mmepe ha.

Ọzọ kwa, atụtụ a na-enye ohere ịkọwa na ụmụaka abụghị naanị ndị na-anabata nduzi n'efu; ha na-ahọrọ, na-enyocha ma na-emeghari omume ha site n'ihe ha hụrụ na ihe ha mụtara. Nke a dabara n'echiche Bandura (1986) banyere *reciprocal determinism*, nke na-egosi na mmadụ na gburugburu ya na-emetụta ibe ha n'usoro na-aga n'ihu. Ya mere, mgbe agwa dị n'iduuazị ndị a na-anabata ezi nduzi ma na-eji ya emeziwanye ndụ ha, ọ na-egosi etu ọzụzụ nwa si bụrụ isi ihe na-akwalite ọganiihu agụmakwụkwọ.

## NtụleghariịEderede Nchọpụtaga

N'ime afọ ndị gara aga, ọtụtụ ndị ọkà mmụta emeela nchọcha gbasara mmekọrịta dị n'etiti ọzụzụ nwa, itinye aka ezinaụlọ na ọganiihu agụmakwụkwọ. Ọtụtụ n'ime nchọpụta ndị a sitere n'akụkụ sayensị agụmakwụkwọ, akparamàgwà mmadụ na mmekọrịta ọha mmadụ, ebe ole na ole nyochara isiokwu a site n'echiche agụmagụ Igbo. Nke a na-eme ka o doo anya na e nwere mkpa ịgbasa ọmụmụ n'ụzọ ga-ejikọta agụmagụ na mmepe agụmakwụkwọ.

Jeynes (2022), site na nchịkọta ọmụmụ (*meta-analysis*) gbasara atụmanya ndị nne na nna n'ebe ụmụ ha nọ, chọpụtara na atụmanya dị elu na nkwado ezinaụlọ nwere njikọ siri ike na mmezu agụmakwụkwọ ụmụ akwụkwọ. Ọ rụrụ ụka na ọ bụladị mgbe ezinaụlọ enweghị nnukwu akụ na ụba, nkwenye ha n'ikike nwa na nkwado ha na-enye nwere ike ịkwalite arụmọrụ ụlọakwụkwọ. N'agbanyeghị uru nchọpụta a, ọ dabere n'ihe gbasara agụmakwụkwọ n'ozuzu ma ọ naghị eleba anya n'etú echiche ndị a si apụta n'agụmagụ ma ọ bụ n'ọrụ ndị odee Igbo.

Tan, Cheung na Lee (2025) nyochara ọtụtụ *meta-analysis* gbasara ụdị ọzụzụ nwa na ụtụ nne na nna

n'agụmakwụkwọ. Ha chọpụtara na ụdị ọzụzụ na-ejikọta ịhụnanya, nduzi na njikwa ziri ezi (*authoritative parenting*) na-enwekarị mmekọrịta dị mma n'ọganiihu agụmakwụkwọ, ebe ọzụzụnleghara anya ma ọ bụ njikwa siri ike na-enweghị nkwado mmetụta uche na-enwe mmetụta na-adịghị mma. N'agbanyeghị, nchọpụta ha gbadoro ụkwụ n'ihe atụ sitere n'ụlọ akwụkwọ na nyocha mmekọrịta mmadụ, ọ bụghị na nzipụta edemede ma ọ bụ agụmagụ ọdịnaala.

N'aka nke ọzọ, Pinọuart (2016) chọpụtara na ụdị ọzụzụ nwa nke na-enye ịhụnanya, nkwado na mnwere onwe nwere njikọ dị mma na arụmọrụ agụmakwụkwọ, ebe ụdị ọzụzụ dabeere n'ike, nleghara anya ma ọ bụ njikwa uche nwere njikọ na-adịghị mma. Ihe nchọpụta a na-akwalite bụ na ọzụzụ nwa kwesịrị ịbụ ngwakọta nke nduzi, nkwado na ịkụziri nwata ezi ọrụ, kama ịbụ naanị ntaramahụhụ ma ọ bụ ịhapụ ya kpamkpam.

N'agbanyeghị uru nchọpụta ndị a niile, e nwere oghere ọmụmụ pụtara ihe. Ha na-elekwasị anya n'ihe gbasara omume mmadụ, agụmakwụkwọ na mmekọrịta ezinaụlọ site n'ụzọ sayensị, ma ha anaghị atụle etu ndị odee si eji agwa, esemokwu na usoro akụkọ zipụta mmetụta ọzụzụ nwa n'ọganiihu agụmakwụkwọ.

IDEAL INTERNATIONAL JOURNAL of IGBO SCHOLARS FORUM for SOCIO-CULTURAL ADVANCEMENT (INC.) Volume 19, No 2A June, 2026
ISSN: 2476-8421

Ya mere, nchọcha a na-emeju oghere ahụ site n'ịtụle nzipụta mmetụta ọzụzụ nwa n'ọganiihu agụmakwụkwọ n'iduuazị *A Tụọrọ Ọmara* na *Nwaanyị Dị Uru*. Kama ilekwasị anya n'ihe atụ sitere na nyocha ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ data sayensị mmekọrịta mmadụ naanị, nchọcha a na-enyocha etu ndị odee Igbo si eji agwa na nzipụta agwa ha gosipụta na ezi ọzụzụ nwa nwere ike ịbụ ntọala nke mmepe agụmakwụkwọ, ebe nleghara anya ma ọ bụ nduzi na-adịghị mma nwere ike ibute ọdịda na ndụ nwata.

## Ntụcha Nchọpụta

### Nzipụta Mmetụta Ọzụzụ Nwa n'Ọganiihu Agụmakwụkwọ n'*A Tụọrọ Ọmara*

Otu n'ime ozi dị mkpa e zipụtara n'iduuazị *A Tụọrọ Ọmara* bụ na ọzụzụ nwa na nduzi sitere n'ezinaụlọ nwere ike ịgbanwe ụzọ ndụ nwata ma duzie ya n'ọganiihu agụmakwụkwọ. Onye odee jiri agwa Azụbụike na Chuka gosipụta ndịiche dị n'etiti nwata nwetara nduzi kwesịrị ekwesị na nke dara n'ọnọdụ ọzụzụ na-adịghị mma. N'ụzọ a, akwụkwọ a na-egosi na ihe ịga nke ọma ma ọ bụ ọdịda nwata n'agụmakwụkwọ na-

adabere nke ukwuu n'ụkpụrụ na omume e tinyere n'ime ya site n'oge ọ bụ nwata.

Na mmalite akụkọ ahụ, Azụbụike na-esonye n'otu ndị enyi a kpọrọ ndị*akpụobi* ma bụrụ ndị na-akwalite omume na-adịghị mma nke nwere ike imebi ọdịnihu ya. Otu ọ dị, nna ya chọpụtara mgbanwe ahụ ma jiri amamihe, ịdọ aka ná ntị na nduzi dozie ọnọdụ ahụ. Kama ileghara ya anya, ezinaụlọ ya tinyere aka n'ịkụziri ya mkpa agụmakwụkwọ, ịrụsi ọrụ ike na ịhọrọ ezigbo ndị enyi. Mgbe mgbanwe a gasịrị, Azụbụike malitere ilekwasị anya n'ịmụ akwụkwọ ma gosipụta mmụọ ọhụrụ nke ịdị uchu na ịchịkwa onwe ya. Onye odee ji akparamagwa a kwado echiche na ezi ọzụzụ nwa nwere ike iweghachi nwata n'ụzọ ziri ezi ọ bụladị mgbe ọ malitere ịkpafuụzọ.

N'aka nke ọzọ, agwa Chuka na-arụ ọrụ dịka ihe atụ nke ihe nwere ike ime mgbe ọzụzụ nwa adịghị ike ma ọ bụ mgbe e nweghị nduzi kwesịrị ekwesị. Omume ya na mkpebi ndị ọ na-eme na-egosi na enweghị nlekọta na ntụziaka nwere ike iduga nwata n'omume ga-egbochi mmepe ya. Site n'itinye Azụbụike na Chuka n'otu akụkọ, onye odee na-emepụta ntụnyere doro anya nke na-eme ka onye na-agụ ya ghọta na ọ bụghị naanị ọgụgụ

isi na-ekpebi ọdịnihu agụmakwụkwọ, kama ọ bụkwa ụdị ọzụzụ nwata natara.

Ihe ọzọ pụtara ìhè n'akwụkwọ a bụ na ọzụzụ nwa anaghị adabere naanị na ntaramahụhụ. Onye odee na-egosi na nkwurịta okwu, ndụmọdụ, nlekọta na igosi nwata ụzọ ziri ezi bụ akụkụ dị mkpa nke ezi ọzụzụ. Azụbụike agbanweghị n'ihi ụjọ naanị, kama ọ gbanwere n'ihi na ndị mụrụ ya na ndị okenye gbara ya gburugburu nyere ya nduzi ga-eme ka ọ ghọta uru agụmakwụkwọ na ihe ize ndụ dị n'ịgbaso omume ọjọọ.

Ntụle a kwekọrọ na Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha nke Bandura, nke na-ekwu na ụmụaka na-amụta site n'ịhụ ihe nlereanya na mmekọrịta ha na ndị gbara ha gburugburu. Azụbụike, mgbe ọ nwetara ezi nduzi na ezigbo ihe nlereanya n'ezinaụlọ, gbanwere echiche ya ma mezie omume ya. Nke a na-egosi na ezinaụlọ nwere ike ịbụ ebe a na-akụzi ụkpụrụ ga-eduga nwata n'ọganiihu agụmakwụkwọ.

Ọzọ kwa, *A Tụọrọ Ọmara* na-egosipụta echiche ọdịnaala Igbo na-ekwu na "a na-azụ nwa maka echi." N'echiche a, ọzụzụ nwa bụ itinye ego n'ọdịnihu ya. Ndị nne na nna

na-arụsi ọrụ ike n'ịkụnye ezi agwa, ịdọ aka ná ntị na ịhụ mmụta n'anya na-ewulite ntọala siri ike nke ga-eme ka nwata nwee ike ime nke ọma n'ụlọ akwụkwọ na n'ọrụ ndụ ndị ọzọ. N'aka nke ọzọ, nleghara anya ma ọ bụ ịhapụ nwata ka ọ too n'enweghị nduzi nwere ike ibute nsogbu ga-esiri ya ike idozi n'ọdịnihu.

Ya mere, site n'agwa Azụbụike na Chuka, onye odee na-eme ka o doo anya na ọzụzụ nwa bụ otu n'ime ihe ndị kacha emetụta mmepe agụmakwụkwọ. Ozi dị n'akwụkwọ a na-akwalite echiche na ndị nne na nna, ndị nlekọta na ọha mmadụ kwesịrị ịrụkọ ọrụ ọnụ n'ịzụlite ụmụaka n'ụzọ ga-eme ka ha bụrụ ndị nwere ezi omume, mmụọ ịrụsi ọrụ ike na ọchịchọ ime nke ọma n'agụmakwụkwọ.

## Nzipụta Mmetụta Ọzụzụ Nwa n'Ọganiihu Agụmakwụkwọ na *Nwaanyị Dị Uru*

N'iduuazị *Nwaanyị Dị Uru*, onye odee na-eji mmekọrịta dị n'etiti ndị nne na nna na ụmụ ha gosipụta na ọzụzụ nwa na nkwado ezinaụlọ bụ isi ihe na-akwalite ma ọ bụ na-egbochi ọganiihu agụmakwụkwọ. N'adịghị ka *A Tụọrọ Ọmara*, nke lekwasịrị anya n'ịdọ aka ná ntị na ime ezi omume nwata, *Nwaanyị Dị Uru* na-enye nnukwu ohere ịtụle ọrụ nne na nna n'ịkụnye ịhụ agụmakwụkwọ

n'anya n'ime ụmụ ha na n'ịkwalite ọchịchọ ha ime nke ọma n'agbanyeghị ihe isi ike.

Otu n'ime ihe pụtara ìhè n'iduazị a bụ àgwà Ụlọma, onye gosipụtara onwe ya dịka nne ghọtara na agụmakwụkwọ bụ ihe ga-emepe ụzọ ndụ ụmụ ya. N'agbanyeghị ihe ịma aka ezinaụlọ na ọnọdụ siri ike ha na-eche ihu, ọ naghị akwụsị ịgba ụmụ ya ume ka ha gụọ akwụkwọ ma jiri ezi omume na ndidi chụsoo ọdịnihu ha. Onye odee ji agwa a gosipụta na ezi ọzụzụ nwa na-amalite site n'ịkụnye nwatakịrị echiche ziri ezi banyere uru mmụta na mkpa ọ dị ịrụsi ọrụ ike iji nweta ya.

N'otu aka ahụ, agwa Nwadịụtọ na ụmụnne ya na-egosi mmetụta dị mma nke nduzi na nlekọta nne. Ha na-eto n'ụlọ ebe a na-akwalite ịdị uchu, nkwanye ugwu na ịdabere n'ezi ọrụ. N'ihi nke a, ha na-egosipụta mmụọ ịrụsi ọrụ ike n'agụmakwụkwọ ma na-enwekwa ike ịnagide nsogbu na-ahapụghị ebumnobi ha. Onye odee na-eme ka o doo anya na mkpali na nkwado sitere n'ezinaụlọ nwere ike ime ka nwata nwee ntụkwasị obi n'onwe ya ma nwee obi ike ịga n'ihu n'agbanyeghị ihe mgbochi.

N'aka nke ọzọ, iduazị a na-egosikwa na echiche ndị nne na nna banyere agụmakwụkwọ nwere ike ịbụ ihe mgbochi nye mmepe ụmụaka. Omume Odogwu n'ihe gbasara agụmakwụkwọ ụmụ ya, karịsịa n'ebe o metụtara ụmụ nwaanyị, na-egosi etu nkwenye ọdịnaala ma ọ bụ mkpebi nne na nna nwere ike isi belata ohere ụmụaka nwere ịzụlite ikike ha. Site n'itinye echiche Odogwu n'ihu nkwado na ọgụ Ụlọma na-alụ maka ọdịnihu ụmụ ya, odee na-ezipụta esemokwu na-apụta mgbe ezinaụlọ enweghị otu echiche gbasara mkpa agụmakwụkwọ, ọ nwere ike ịkpata ihe isi ike n'ụzọ mmepe nwata.

Ihe ọzọ dị mkpa n'iduazị a bụ na ọzụzụ nwa apụtaghị naanị ịnye iwu ma ọ bụ ntaramahụhụ. Odee na-egosi na ịhụnanya, mkparịta ụka, nlekọta na ime ka ụmụaka nwee olileanya bụkwa akụkụ dị mkpa nke ezi ọzụzụ. Ụlọma na-agba ụmụ ya ume site n'okwu na omume ya, na-eme ka ha mata na mmụta bụ ụzọ isi meziwanye ndụ ha na nke obodo ha. Nke a na-egosi na echiche na nkwado sitere n'aka nne na nna nwere ike ịpụta n'ọdịnihu agụmakwụkwọ nwata karịa ịkatọ ya mgbe niile.

Ntụcha a kwenyere n'Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha, nke na-ekwu na ụmụaka na-amụta ụkpụrụ, ọchịchọ na omume site n'ihe nlereanya nke ezinaụlọ ha. N'ime *Nwaanyị Dị Uru*, Ụlọma na-arụ ọrụ dịka ezigbo ihe

nlereanya nke na-akwalite ịrụsi ọrụ ike, ndidi na ịhụ agụmakwụkwọ n'anya. N'ihi ya, ụmụ ya na-amụta ịtụkwasị obi na mgbalị onwe ha ma na-ewere agụmakwụkwọ dịka ụzọ isi nweta mmepe onwe onye na nke ọha.

Ọzọ kwa, odee na-ejikwa akụkọ a kpalie mkparịta ụka gbasara mkpa ọ dị inye ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị ohere nhatanha n'agụmakwụkwọ. Site n'ịgosipụta uru nkwado Ụlọma nyere ụmụ ya na ihe ịga nke ọma ha mechara nweta, akwụkwọ a na-ajụ echiche na agụmakwụkwọ bụ naanị ihe ga-abara ụmụnwoke uru. Kama, ọ na-egosi na mgbe a zụlitere ụmụaka n'ụzọ kwesịrị ekwesị ma nye ha ohere ịmụ ihe, ha nwere ike ịghọ ndị ga-ewetara ezinaụlọ na obodo ha nnukwu uru.

N'ụzọ zuru ezu, *Nwaanyị Dị Uru* na-egosi na ọzụzụ nwa na-agụnye ịhụnanya, nduzi, nkwado na ịkụnye ụkpụrụ ọma nke na-eme ka nwata nwee mmasị n'agụmakwụkwọ ma nwee ike ime nke ọma. Ozi onye odee na-ezipụta bụ na ọdịnihu agụmakwụkwọ nwata na-amalitekarị n'ụlọ, ebe nne na nna na ndị nlekọta na-arụ ọrụ dị mkpa n'ịkpụzi echiche na omume ga-akwalite ma ọ bụ gbochie mmepe ya.

**Mkparịta Ụka: Ntụnyere Nzipụta Mmetụta Ọzụzụ Nwa n'Ọganiihu Agụmakwụkwọ n'*A Tụọrọ Ọmara* na *Nwaanyị Dị Uru***

Ntụcha e mere n'iduuazị *A Tụọrọ Ọmara* na *Nwaanyị Dị Uru* na-egosi n'ụzọ doro anya na ndị odee abụọ ahụ na-ewere ọzụzụ nwa dịka otu n'ime ihe ndị kacha emetụta ọganiihu agụmakwụkwọ. Ọ bụ ezie na usoro ha si ewulite akụkọ na agwa dị iche, ha abụọ nwere otu echiche nke bụ: na ezi nduzi, nlekọta na nkwado sitere n'ezinaụlọ nwere ike ịkpụzi ọdịnihu nwata, ebe nleghara anya ma ọ bụ echiche na-adịghị akwado mmepe nwere ike imebi ikike nwata nwere.

N'*A Tụọrọ Ọmara*, onye odee na-elekwasị anya n'ọrụ ịdọ aka ná ntị, ime ezi omume na ịchịkwa mmekọrịta nwata na ndị enyi ya. Azụbụike na-egosi na mgbe nne na nna ma ọ bụ ndị nlekọta chọpụtara mmejọ nwata ma were amamihe duzie ya, enwere ike ịgbanwe ụzọ ndụ ya ma mee ka ọ laghachi n'ụzọ ga-eduga n'ọganiihu agụmakwụkwọ. N'aka nke ọzọ, agwa Chuka na-egosindụịla n'iyi nke na-esite n'ịhapụ nwata n'enweghị nduzi na nlekọta kwesịrị ekwesị. Onye odee si n'ụzọ a kwuo na ọrụ ezinaụlọ abụghị naanị ịmụ nwa, kama ọ bụ ịzụlite ya ka ọ bụrụ onye nwere ezi agwa na ebumnobi doro anya.

N'*Nwaanyị Dị Uru*, isi ihe onye odee na-akwalite bụ nkwado ezinaụlọ, karịsịa ọrụ nne n'ịkụnye ịhụ agụmakwụkwọ n'anya n'ime ụmụ ya. Ụlọma na-arụsi ọrụ ike n'ịgba ụmụ ya ume, n'ịkụziri ha uru mmụta na n'ịkwado ha n'agbanyeghị ihe isi ike ezinaụlọ. N'ihi nke a, ụmụ ya na-etolite n'echiche na agụmakwụkwọ bụ ụzọ isi meziwanye ndụ ha. N'otu oge ahụ, esemokwu dị n'etiti echiche Ụlọma na nke Odogwu na-egosi na mgbe ndị nne na nna enweghị otu echiche banyere mkpa agụmakwụkwọ dị, ọ nwere ike ibute ihe mgbochi n'ụzọ mmepe ụmụaka.

Ihe jikọtara akwụkwọ abụọ a ọnụ bụ na ha abụọ na-egosi na ọzụzụ nwa na-amalite site n'ezinaụlọ ma na-aga n'ihu n'ịkpụzi omume nwata n'ụlọ akwụkwọ na n'ọha obodo. Ndị odee anaghị egosi agụmakwụkwọ dịka ihe ụlọ akwụkwọ naanị na-ahụ maka ya; kama ha na-egosi na ụlọ bụ ebe mbụ a na-akụnye mmasị n'ịmụ ihe, ịrụsi ọrụ ike, nsọpụrụ na ezi ọrụ. N'echiche a, ezinaụlọ na ụlọ akwụkwọ na-arụkọ ọrụ ọnụ n'ịmepụta nwata ga-enwe ike irite elele mgbaru ọsọ ya n'isi.

Ntụnyere a na-egosikwa na ezi ọzụzụ nwa nwere akụkụ abụọ dị mkpa. Nke mbụ bụ ịdọ aka ná ntị na imezi omume mgbe nwata kpafuru ụzọ, dịka a hụrụ n'*A Tụọrọ Ọmara*. Nke abụọ bụ nkwado mmetụta uche, agbamume

na ịkụnye olileanya, dịka e gosiri n'*Nwaanyị Dị Uru*. Mgbe akụkụ abụọ a jikọtara ọnụ, nwata na-enweta ntọala siri ike nke na-enyere ya aka ịzụlite njide onwe ya, ịdị uchu na mmụọ ịga nke ọma n'agụmakwụkwọ.

Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha nke Bandura na-enye nkọwa bara uru banyere nzipụta ndị a. Dịka atụtụ ahụ siri kwuo, ụmụaka na-amụta site n'ilekọta ma na-eso ihe nlereanya ndị nọ ha nso. Ya mere, mgbe nne na nna ma ọ bụ ndị nlekọta na-egosipụta ịhụ agụmakwụkwọ n'anya, ịrụsịọrụ ike na ezi omume, ụmụaka na-enwekarị mmasị iṅomi àgwà ndị ahụ. N'aka nke ọzọ, mgbe e nwere nleghara anya, enweghị nduzi ma ọ bụ nkwado, ohere nwata nwere ịzụlite àgwà ga-akwado mmepe agụmakwụkwọ ya na-ebelata.

Ihe ọzọ pụtara ìhè bụ na ndị odee abụọ ahụ na-ezipụta ọzụzụ nwa dịka usoro na-aga n'ihu, ọ bụghị ihe na-eme otu ugboro. Ọ bụ usoro na-achọ oge, ndidi, mkparịta ụka, nlekọta na ime ihe nlereanya ọma. Site n'echiche a, ha na-akpọku ndị nne na nna, ndị nlekọta na ọha mmadụ ka ha ghọta na ọdịnihu agụmakwụkwọ ụmụaka na-adabere nke ukwuu n'ihe a na-eme n'ụlọ tupu nwata eruo ụlọakwụkwọ na n'oge ọ na-aga n'ihu na mmụta ya.

N'ikpeazụ, nchọpụta sitere n'akwụkwọ abụọ a na-egosi na ọzụzụ nwa bụ ihe na-ekpebi ma nwata a ga-ahụ agụmakwụkwọ dịka ụzọ mmepe ma ọ bụ hapụ ohere ndị dị n'ihu ya. Site n'iji Azụbụike, Chuka, Ụlọma na ụmụ ya wulite akụkọ ha, ndị odee na-egosi na ezinaụlọ nwere ikike ịmepụta ma ọ bụ igbochi ọnọdụ ga-eme ka nwata gaa nke ọma n'agụmakwụkwọ. N'ụzọ dị otu a, agụmagụ Igbo na-arụ ọrụ dị mkpa n'ịkwalite echiche na ụkpụrụ ga-enyere aka iwulite ọgbọ nwere ezi agwa, mmụọ ịmụ ihe na ọchịchọ ime nke ọma.

## Mmechi

Nchọcha a lebara anya n'isiokwu bụ **"Nzipụta Mmetụta Ọzụzụ Nwa n'Ọganiihu Agụmakwụkwọ n'Iduuazị Igbo Ndị A Họọrọ"** site n'ịtụle *A Tụọrọ Ọmara* na *Nwaanyị Dị Uru*. Site na nyocha e mere, o doro anya na ndị odee abụọ ahụ na-ewere ọzụzụ nwa dịka otu n'ime ntọala kachasị mkpa nke na-ekpebi ihe ịga nke ọma ma ọ bụ ọdịda nwata n'agụmakwụkwọ. Ha gosipụtara na ezi ọzụzụ, nke gụnyere nduzi, ịdọ aka ná ntị, nkwado mmetụta uche, ịkụnye ezi omume na ịgba ụmụaka ume, na-enyere nwata aka ịzụlite mmụọ ịrụsi ọrụ ike, njide onwe ya na ịhụ agụmakwụkwọ n'anya.

N'aka nke ọzọ, nchọcha ahụ gosikwara na nleghara anya, nduzi na-adịghị mma ma ọ bụ echiche na-adịghị akwado agụmakwụkwọ nwere ike ibute omume ọjọọ, enweghị mkpali n'ịmụ ihe na ọdịda n'ime mmepe agụmakwụkwọ nwata. Site n'agwa Azụbụike na Chuka n'*A Tụọrọ Ọmara*, ya na Ụlọma, Odogwu na ụmụ ha n'*Nwaanyị Dị Uru*, ndị odee gosipụtara na ezinaụlọ bụ ebe mbụ a na-akpụzi echiche na agwa ga-emetụta ndụ agụmakwụkwọ nwata n'ọdịnihu.

Ọzọ kwa, nchọpụta a kwadoro na Atụtụ Mmụta Mmekọrịta Ọha (Social Learning Theory) dabara nke ọma n'ịkọwa etu ụmụaka si amụta ihe site n'ihe nlereanya na nduzi sitere n'aka ndị nne na nna na ndị gbara ha gburugburu. Nke a na-egosi na ọzụzụ nwa abụghị naanị ọrụ ezinaụlọ kama ọ bụkwa usoro na-ewulite mmadụ nke na-emetụta ọganihu obodo n'ozuzuoke ya.

N'ikpeazụ, nchọcha a na-egosi na agụmagụ Igbo anaghị arụ ọrụ ntụrụndụ naanị, kama ọ bụkwa ụzọ ndị odee si akuziri ọha mmadụ uru ezi ọzụzụ nwa na mkpa agụmakwụkwọ dị. Site n'izipụta agwa na omume na-akpali mmụọ, ha na-akpọku ndị nne na nna, ndị nlekọta na obodo dum ka ha tinye aka n'ịzụlite ụmụaka n'ụzọ

ga-eme ka ha bụrụ ndị bara uru nyere onwe ha na ọha mmadụ.

## Aro

N'idabere na nchọpụta e mere, a na-atụ aro ihe ndị a:

1. Ndị nne na nna na ndị nlekọta kwesịrị ịghọta na ọrụ ha anaghị akwụsị n'inye ụmụaka nri na uwe, kama ha kwesịrị ịkụnye n'ime ha ezi omume, ịhụ agụmakwụkwọ n'anya na mmụọ ịrụsi ọrụ ike site n'omume na nduzi ha.

2. Ezinaụlọ kwesịrị ịmepụta gburugburu ebe a na-akwado mmụta, mkparịta ụka na nkwado mmetụta uche ka ụmụaka nwee obi siri ike ịga n'ihu n'agụmakwụkwọ ha ma merie ihe isi ike ha na-ezute.

3. Ndị nkụzi na ụlọ akwụkwọ kwesịrị ịrụkọ ọrụ ọnụ na ndị nne na nna iji nyochaa ma kwalite mmepe agụmakwụkwọ na omume ụmụ akwụkwọ, ebe mmekọrịta dị mma n'etiti ụlọ na ụlọakwụkwọ na-enyere aka iwulite ụmụaka nke ọma.

4. Ndị odee na ndị na-eme nchọcha n'agụmagụ Igbo kwesịrị ịga n'ihu ide na ịmụ ọrụ ndị na-egosipụta nsogbu metụtara ọzụzụ nwa, n'ihi na

agụmagụ nwere ike ịbụ ụzọ dị irè isi kpalite mgbanwe n'omume ọha mmadụ.

5. Gọọmenti na ndị na-ahụ maka iwu agụmakwụkwọ kwesịrị ịkwado mmemme na-amụba ọgụgụ isi ndị nne na nna gbasara ezi ọzụzụ nwa, ikike ụmụaka na uru agụmakwụkwọ, ka e wee belata omume na-egbochi mmepe ụmụaka.

6. Ndị nchọpụta n'ọdịnihu nwere ike ịgbasa ọmụmụ a site n'ịtụnyere iduuazị Igbo na ụdị agụmagụ ndị ọzọ, dịka ejije, uri na ihe nkiri Igbo, iji chọpụta etu echiche banyere ọzụzụ nwa na ọganiihu agụmakwụkwọ si apụta n'ụdị edemede dị iche iche.

N'nchịkọta, nchọpụta a na-egosi na ezi ọzụzụ nwa bụ otu n'ime ihe ndị kacha enye aka n'ịzụpụta ụmụaka ga-eme nke ọma n'agụmakwụkwọ na ndụ, ma, *A Tụọrọ Ọmara* na *Nwaanyị Dị Uru* na-egosi nke a n'ụzọ doro anya site n'agwa na akparamagwa ndị e jiri wulite akụkọ ha.

## Edensibia

Bandura, A. (1977). *Social learning theory*. Prentice-Hall.

Bandura, A. (1986). *Social foundations of thought and action: A social cognitive theory*. Prentice Hall.

Baumrind, D. (1967). 'Child care practices anteceding three patterns of preschool behavior'. *Genetic Psychology Monographs, 75*(1), 43–88.

Bornstein, M. H. (2022). *Handbook of parenting* (3rd ed.). Routledge.

Bronfenbrenner, U. (1979). *The ecology of human development*. Harvard University Press.

Bussey, K., & Bandura, A. (1999). 'Social cognitive theory of gender development and Differentiation'. *Psychological Review, 106*(4), 676–713.

Credé, M., Kuncel, N. R., & Harms, P. D. (2008). 'The role of personality in predicting academic

Performance'. *Perspectives on Psychological Science, 3*(6), 425–453.

Darling, N., & Steinberg, L. (1993). Parenting style as conteụt: An integrative model. *Psychological Bulletin, 113*(3), 487–496.

Dewey, J. (1916). *Democracy and education*. Macmillan. Fan, X., & Chen, M. (2001). 'Parental involvement and students' academic

achievement: A meta
Analysis'. *Educational Psychology Review, 13*(1), 1–22.

Freire, P. (1970). *Pedagogy of the oppressed*. Continuum.

Jeynes, W. H. (2007). 'The relationship between parental involvement and urban secondary school student academic achievement'. *Urban Education, 42*(1), 82–110.

Jeynes, W. H. (2022). 'A meta-analysis: The relationship between the parental eụpectations component of parental involvement with students' academic achievement'. *Urban Education, 59*(1), 3–34.

OECD. (2023). *PISA 2022 results: The state of learning and equity in education*. OECD Publishing.

Okechukwu, C. (2012). *Nwaanyị Dị Uru.* Nnewi:

Mis- Fav Publishers.

Ọnụọra, J. C. (2009). *A Tụọrọ Ọmara.* Onitsha:

Patmonik Printers.

Pinquart, M. (2016). 'Associations of parenting styles and dimensions with academic achievement

in children and adolescents: A meta-analysis'. *Educational Psychology Review, 28*(3), 475–493.

Richardson, M., Abraham, C., & Bond, R. (2012). 'Psychological correlates of university students'

academic performance: A systematic review and meta-analysis'. *Psychological Bulletin, 138*(2), 353–387.

Schunk, D. H. (2020). *Learning theories: An educational perspective* (8th ed.). Pearson

Smetana, J. G. (2017). *Current research on parenting styles, dimensions, and beliefs*. Wiley.

Tan, C. Y., Cheung, H. S., & Lee, S. M. S. (2025). Parental involvement, parenting styles, and

children's academic outcomes: A second-order, three-level meta-analysis'. *Review of Educational Research*.

UNESCO. (2021). *Reimagining our futures together: A new social contract for education*. UNESCO.

Wilder, S. (2014). 'Effects of parental involvement on academic achievement: A meta-synthesis'.

*Educational Review, 66*(3), 377–397.

York, T." T., Gibson, C., & Rankin, S. (2015). 'Defining and measuring academic success'. *'Practical Assessment, Research & Evaluation, 20*(5), 1–20.